*Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.5 No.2 June, 2021; p.g. 34 – 46; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)*

# AZỤMAHỊA NA NAỊJIRIA NA ỌNỌDỤ ASỤSỤ IGBO NA SENTURI NKE IRI ABỤỌ NA OTU

**PATRICK IK. UMEZI**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Eshia**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
**pi.umezi@unizik.edu.ng**
**+2348063883811**

**Ụmịedemede**

*Isiokwu nchọcha a bụ Azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. Ihe nwanchọcha bu n'obi bụ ịchọpụta etu azụmahịa na Naịjiria si metụta ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. Ihe kpalitere ya ime nchọcha a bụ maka na adịmmkpa asụsụ ọbụla gbadoro ụkwụ n'adịmmkpa ndị nwe asụsụ ahụ. Atụtụ mgbakwasa isiokwu nchọcha a bụ atụtụ Ngwakọrịta usoro azụmahịa; nke a kpọrọ Marketing Mix maọbụ 4PS of marketing n'asụsụ Bekee. A bịa na Naịjiria, ndị Igbo kacha pụta ihe n'ihe gbasara azụmahịa. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ Igbo kwesiri ịbụ asụsụ dị mkpa ma na-ewu ewu na Naịjiria; mana ọ dịghị etu ahụ. Nwanchọcha chọrọ ịchọpụta ihe kpatara nke a. Mgbe e mechara nchọcha a, a chọpụtara na a bịa n'azụmahịa na Naịjiria, ọ bụ ndị Igbo kacha pụta ihe na ya. Mana na n'agbanyeghi nke a asụsụ Igbo so n'asụsụ ndị na-alaghachi azụ. A chọpụtara na ihe kpatara asụsụ Igbo ji ada ada bụ na ụfọdụ ndị nne na nna ndị Igbo anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha dị iche iche. Ụfọdụ narịị eziga ụmụ ha maka ịgụ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ anaghị amụ asụsụ Igbo. Ọzọkwa, ụfọdụ ndị nkụzi ejighi ya akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ. Nke ka njọ bụ na ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-anata ntaramahụhụ mgbe ọbụla ha sụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. A chọpụtakwara na ọ na-eme ụfọdụ ndị Igbo ihere ịsụ asụsụ Igbo ebe ndị mmadụ nọ. N'ikpe azụ, a chọpụtara na ihe e nwere ike ime iji mee ka asụsụ Igbo dị elu bụ na ndị Igbo kwesiri ịhụ asụsụ Igbo n'anya ma na-asụ ya ebe ọbụla ha nọ; ndị nne na nna ga-agba mbọ hụ na ụmụ ha na-asụ asụsụ Igbo dị ka asụsụ ire nne n'ụlọ ha dị iche iche. N'otu aka ahụ, ha ga-akwụsị iziga ụmụ ha maka agụmakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ndị anaghị asụ asụsụ Igbo. Ndị gọọmenti, n'aka nke ha ga-enye aka n'ịkwalite asụsụ Igbo site n'ime iwu dị iche iche ga-enye aka maka ọganihu asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche. Ihe ndị a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu iji kwalite asụsụ Igbo n'ogo dị elu.*

**Ọkpụrụkpụ okwu: Azụmahịa, Asụsụ, Ndị Igbo, Asụsụ Igbo, Naijiria.**

## Ndubanye

Agamnihu maọbụ ọdịda asụsụ ọbụla gbadoro ụkwụ n'etu e si eji asụsụ ahụ ezikọrịta ozi. N'otu aka ahụ, asụsụ ọbụla na-adị mkpa mgbe ndị nwe asụsụ ahụ dị mkpa nke ukwuu dị ka o si metụta ọnọdụ ndị mmadụ n'ebe dị iche iche na kwa n'ogo dị iche iche. Nke a bụ maka na ndị obodo dị iche iche ga na-agba mbọ ka ha mụta ma na-asụkwa asụsụ ndị dị etu a iji hụ na mmekọrịta ha na ha dị mfe ma tọkwuazi atọ.

Imepụta ngwaahịa na kwa azụmahịa bụ ụzọ pụtara ihe aha obodo ọbụla na kwa asụsụ ha ji ada ụda. Nke a bụ maka na asụsụ ahụ ga-adị mkpa maka mmekọrịta ga-adị n'etiti ndị obodo ahụ na ndị ga-esi mba dị iche iche bịa ịzụrụ ngwaahịa.

A bịa na Naijiria, ndị Igbo bụ agbụrụ pụtara ihe karịa agbụrụ ndị ọzọ n'ebe o si metụta imepụta ngwaahịa na azụmahịa. Ndị Igbo jupụtara n'ahịa niile dị na Naijiria taa. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ Igbo kwesiri ịna-ada ụda taa karịa asụsụ ndị ọzọ dị na Naijiria. Nke a bụ iji hụ na e nwere ezi mkparịta ụka n'etiti ndị Igbo na ndị si ebe dị iche iche bịa ịzụrụ ngwaahịa.

Ka o sila dị, ọ bụ ihe na-agba anya mmiri na ndị Igbo hapụrụ ọnọdụ ha kwesiri iji kwalite asụsụ ha na-eme ka ya bụ asụsụ na-anwụ anwụ. Taa, ọtụtụ ndị Igbo na-ahapụ asụsụ Igbo na-asụ asụsụ mba ọzọ n'ebe na kwa oge ha na-ere ahịa. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a na-eme ka asụsụ Igbo na-agbada n'ike n'ike.

Ụfọdụ ndị mmadụ, n'oge gara aga, agbaala mbọ n'ụzọ dị iche iche iji mee ka echiche ndị Igbo laghachi n'ebe asụsụ ha dị. Ka o si dị taa, o nwebeghi nchọcha pụtara ihe e merela nke gbadoro ụkwụ n'azụmahịa na Naijiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. Ọ bụ nke a mere ka nwanchọcha gbado ụkwụ n'isiokwu a iji mee ka ndị Igbo mata ohere ọma ha nwere iji kalite asụsụ ha ka ọ karịa asụsụ ndị ọzọ dị na Naijiria.

Nwanchọcha bu n'obi ịchọpụta ihe kpatara asụsụ Igbo ji anyụ ka ọkụ a wụrụ mmiri n'agbanyeghi ọnọdụ dị elu ndị Igbo nọ na ya n'ebe o si metụta imepụta ngwaahịa na azụmahịa. Ọ ga-eleba anya n'ọnọdụ ndị Igbo na asụsụ n'oge ọbịbịa ndị ọcha, ọnọdụ ndị Igbo n'azụmahịa na Naijiria; ọnọdụ asụsụ Igbo etu o si metụta azụmahịa na Naijiria; ọnọdụ asụsụ Igbo kwesiri ịnọ na Naijiria; Ihe kpatara asụsụ Igbo ji alaghachi azụ; na kwa ihe a ga-eme iji bulite asụsụ Igbo n'ogo dị elu.

Nchọcha a ga-aba uru n'ebe ọ dị ukwuu. Na mbụ, ọ ga-eme ka ndị Igbo ghọta na asụsụ ha na-alaghachizi azụ n'oge a; ọ ga-enye aka mee ka ndị nne na nna mata mkpa ọ dị ịdị na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha dị iche iche dị ka asụsụ ire nne iji hụ na asụsụ Igbo bara ha n'ụmị ọkpụkpụ. Nchọcha a ga-enyekwuazi aka n'iwepu ihere na ngala n'anya ndị Igbo ka ha wee nwee ike ịdị na-asụ asụsụ Igbo ebe ọbụla ha nọ n'atụghị egwu ọbụla. Ọ ga-abụ ebe mgbakwasa ụkwụ maka ndị ọzọ ga-achọ ime nchọcha n'isiokwu yitere nke a.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu dị n'Isiokwu**

E nwere ụfọdụ ọkpụrụkpụ okwu ndị pụtara ihe na nchọcha a ndị kwesiri na a ga-atụle nkọwa ndị mmadụ merela na ha. Ha bụ azụmahịa, asụsụ, ndị Igbo na asụsụ Igbo

**Azụmahịa**

Balkin (2010) sị na azụmahịa bụ ihe niile jikọtara mgbanworita ego na akarangwa dị iche iche nke na-eme ka ndị mmadụ si n'otu obodo gaa n'obodo ọzọ iji nweta mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ụdị ga-eweta mgbanwo akụnaụba. Nkọwa Balkin na-ahụta azụmahịa dị ka ihe na-akwalite mmekọrịta ọhanaeze n'ebe ọ dị ukwuu. Ọ kọwakwara na isi a hụrụ kwaba okpu n'ebe azụmahịa dị bụ mgbanworịta ego na akarangwa dị iche iche nke na-eweta mgbanwo n'ọnọdụ akụnaụba.

Barnet (2001) n'aka nke ya kọwara azụmahịa dị ka ihe ọbụla mmadụ na-eme nke ga-eweta uru n'ọnọdụ akụnaụba. Nkọwa ya na-arụtụ aka n'ebumnobi e ji abagide azụmahịa, ya bụ inweta uru. Ihe ọ pụtara bụ na ebumnobi onye na-azụ ahịa bụ ka o nweta uru.

N'ịganihu, Jahanshashi na Mirzaie (2011) hụtara azụmahịa dị ka mgbanwerịta sitere n'ịzụta na ireghari akarangwa dị iche iche n'ebe ọ dị ukwuu; nke nwere ike ibute isi otu ebe buga ngwaahịa n'ebe ọzọ. Nkọwa ha na-arụtụ aka n'azụmahịa dị ka ihe zuru ụwa niile ọnụ na kwa ihe na-akwalite mmekọrịta ndị mmadụ si n'ebe dị iche iche n'ebe ọ dị ukwu.

Nkọwa ndị a niile dịchasị mma ma nyekwuazi aka n'ịghọta ihe azụmahịa pụtara. Ma dị ka o si metụta nchọcha a, nwanchọcha na-akọwa azụmahịa dị ka mgbanworịta ego na ngwaahịa dị iche iche dị ka ụzọ a na-agbaso iji hụ na ihe dị iche iche e mepụtara n'ụlọ ọrụ dị iche iche rutere ndị mmadụ aka n'ebe dị iche iche site n'ịgbaso usoro iwu dị ka o si metụta ọnọdụ akụnaụba obodo ọbụla, ọnọdụ ọchịchị, omenala na kwa mmekọrịta ọha na eze site n'otu obodo ruo n'obodo ọzọ.

**Asụsụ**

Dimebo na Nna (2019) kọwara asụsụ dị ka ụda mmadụ na-eme nke a haziri n'ezi usoro site na nkwekọrịta ọhanaeze nwe ya bụ asụsụ. Nkọwa ha na-ahụta asụsụ dị ka okwu ọnụ na-esi n'ọnụ mmadụ apụta ma nwee nghọta zuru oke site na nhazi nke ndị nwe ya. Nkọwa Dimebo na Nna kwadoro Ume (2016) onye kọwara asụsụ dị ka ụda si n'ọnụ mmadụ apụta site na mmetụkọta otu njiakpọ na ibe ya. Nkọwa ya na-egosi na ọhanaeze ga-anabatarịrị ihe ndị mebere asụsụ ahụ tupu ọ rụọ ọrụ dị ka ngwa nzikọrịta ozi.

N'ịga n'ihu, Anagbogu, Mbah na Eme (2010) sị na asụsụ bụ ụzọ ndị mmadụ wepụtara nke ha ga-eji eme mmekọrịta na-ewepụta echiche na ebumnobi ha, ọchịchọ ha na ihe ndị ọzọ site n'okwu ọnụ maọbụ ederede. Nkọwa ha wepụtara ụzọ dị iche iche e nwere ike isi zipụta echiche asụsụ ọbụla bu; ya bụ okwu ọnụ maọbụ site n'ide ya ede. Nkọwa ha kwadoro echiche Prasad (2009), onye hụtara asụsụ dị ka usoro nzikọrịta ozi site n'okwu ọnụ maọbụ ederede.

Ọzọkwa, Umeodinka (2020) kọwara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ mebere ya na ibe ya ga-eji na-ezipụta ebumnobi na ọchịchọ ha site n'ụdaasụsụ nke e ji njiakpọ emepụta. Nkọwa ya metụtara usoro e si ezipụta asụsụ site n'ihe na-eme na mkpọpụta okwu.

Dị ka o si metụta nchọcha a, nwanchọcha na-akọwa asụsụ dị ka usoro ndị mmadụ nabatara ha si ezikọrịta ozi n'ụdị okwu ọnụ maọbụ ederede nke na-ebute ndịiche n'otu agbụrụ na agbụrụ ọzọ.

**Ndị Igbo na Asụsụ Igbo**

Ọtụtụ ndị mmadụ merela nchọcha n'oge gara aga kọwara ndị Igbo na asụsụ Igbo n'ụzọ dị iche iche. Ugochukwu (2019) site n'ịkwado echiche Ngoesi (2000) sị na ndị Igbo bụ ndị si na steeti Anambra, Enugu, Imo, Owerri, Abịa, Ebonyi, na ala ụfọdụ na steeti Delta na Rivers, ndị asụsụ ala nna ha bụ Igbo. Nkọwa ya kwadoro echiche Onwuejeogu (1981), onye kwuru na ala Igbo sitere n'Agbo na Kwele nke steeti Delta wee gbadaa Ahoada, Diobu na Umuabayi dị na mpaghara Port Harcourt. Ọ gafekwara Arọchukwu nke dị na steeti Abịa ruo Afikpo na Isiagụ nke dị na mpaghara Abakariki gbagoo Enugwu-Ezike nke dị na mpaghara Nsụkka, ma gafekwaa Ebu nke ala Igbo Ofesi Naija. Nkọwa ya na-egosi na ọ bụ ndị Igbo mejupụtara steeti

Anambara, Imo, Owerri, Ebonyi, Enugu, Abịa na mpaghara ụfọdụ na steeti Delta, Akwa Ibom na Rivers.

Nwadike (2002) kọwara ihe ndị bụ ndị Igbo na ihe bụ asụsụ Igbo. Ọ sị na Igbo na-egosi ndị ndị Igbo mụrụ, nke abụọ, ọ na-egosi oke ala ndị Igbo; nke atọ bụ na ọ na-egosi asụsụ ndị Igbo na-asụ. Site na nkọwa ya, ọ pụtara na onye bụ onye Igbo bụ onye onye Igbo mụrụ, n'agbanyeghị n'ebe ọ nọrọ mụọ ya. Ala Igbo pụtara okere ala ndị Igbo nwe ma biri na ya; ebe asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ .

Eme na Nkamigbo (2009) gbadoro ụkwụ n'echiche Nwadike wee kọwaa asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị Igbo na-asụ. Ha gara n'ihu kọwapụta na ihe e ji akpọ ndị Igbo ndị Igbo bụ maka na asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Nkọwa ha na-ekwu na ọ bụ asụsụ ka e ji ama agbụrụ ọbụla. Ihe ọ pụtara bụ na agbụrụ ọbụla tụfuru asụsụ ha, mara na agbụrụ ahụ anwụọla.

Dị ka o si metụta nchọcha a, nwanchọcha na-akọwa ndị Igbo dị ka ndị nna ha bụ ndị Igbo n'agbanyeghi ebe ha bi. N'otu aka ahụ, asụsụ Igbo bụ asụsụ 'kwa' nke ndị Igbo na-asụ dị ka asụsụ ire nne ha.

**Nchọcha E merela n'Ihe yitere Isiokwu**

N'oge gara aga, ụfọdụ ndị mmadụ emeela nchọcha n'isiokwu ndị yitere isiokwu a. Basden (1921), site na nchọcha o mere maka ndụ ndị Igbo, chọpụtara ma kọwapụta na ndị Igbo bụ agbụrụ na-agba mbọ nke ukwuu site n'imepụta ihe dị iche iche na kwa ịgba mgbere ahịa dị iche iche. Ha bụ ndị hụrụ asụsụ ha n'anya nke ukwuu nke mere na ha na-eji asụsụ ha eme ihe niile. Nke a mere n'ọtụtụ oge a na-enwe onye ntapịa ga-akọwara onye ọbịa ihe ha na-ekwu. Nchọcha Basden na-egosi na oge o mere nchọcha ya, na ndị Igbo amaralarịị ihe gbasara azụmahịa. N'aka nke ọzọ, ọ bụ asụsụ Igbo ka ha ji azụ ahịa n'ala Igbo n'oge ahụ n'agbanyeghi agbụrụ inye na-azụ ahịa ahụ si na ya. Nchọcha ya yitere nchọcha a maka na ha abụọ metụtara azụmahịa na ịsụ asụsụ Igbo. N'aka nke ọzọ, ha abụọ dịwaga iche maka na nchọcha Basden na-arụtụ aka na ndụ ndị Igbo na zuzugbe ya; ebe nchọcha a bụ maka azụmahịa n'ala Naijiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

Ndimele (2005), site na nchọcha o mere banyere mmepezuruụwaọnụ na ọnọdụ Afrịka, chọpụtara na ọganihu asụsụ ọbụla na-agbado ụkwụ n'ọganihu obodo nwe asụsụ ahụ. Ọ gara n'ihu chọpụta na obodo ọbụla nwere ọganihu n'ihe gbasara ọnọdụ akụnaụba, na asụsụ ha na-aka enwe ọganihu, maka na ndị obodo dị iche iche ga na-achọ ka ha mata ma na-asụ asụsụ mba ahụ, ka azụmahịa na mmekọrịta dị n'etiti ha ghara inwe ihe mkpọbi ụkwụ ọbụla n'ebe o si metụta nzikọrịta ozi. Nchọcha Ndimele bara uru nke ukwuu, maka na ọ ga-enye aka ịhụ na ndị Igbo tinyere uchu n'asụsụ ha ebe ọ bụ na ndị Igbo so na mgbọrọgwụ ji azụmahịa na Naijiria, asụsụ Igbo kwesiri ịbụ asụsụ e ji eme ọnụ taa n'ala Naijiria. Nchọcha ya yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-ekwu maka ọnọdụ asụsụ na mmepe obodo. Ka o sila dị, ha abụọ dịkwa iche niihi na nchọcha Ndimele gbadoro ụkwụ n'ọnọdụ Afrịka na asụsụ ha na mmepezuruụwaọnụ, ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'azụmahịa na Naijiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu.

Isichei (1976), na nchọcha o mere n'agụgụ ala Igbo, chọpụtara ma kọwaa na tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ọ bụ naanị asụsụ Igbo ka ndị Igbo na-asụ ma were ya egbo mkpa ha niile. N'oge ahụ, ihe niile dị n'ala Igbo nwere aha n'asụsụ Igbo. Ọ kọwapụtara na asụsụ ndị ọzọ

bidoro batawa n'ala Igbo mgbe ndị Igbo na ndị mba ọzọ bidoro nwewe mmekọrịta. N'agbanyeghi mmekọrịta dị n'etiti ndị Igbo na ndị mba ọzọ, ndị Igbo ejighi asụsụ Igbo egwu egwu. Ihe ọ chọpụtara gbara aka ebe nye nchọpụta nke Basden (1921), onye kọwapụtara na ndị Igbo hụrụ asụsụ ha n'anya nke ukwuu, nke mere na ha na-asụ ya oge niile na kwa n'ebe niile. Nke a mere na onye ọbịa ga-achọ onye ntapịa iji ghọta ihe ndị Igbo na-ekwu. Nchọcha Isichei bara uru nke ukwu, maka na o mere ka ndị Igbo lechighaa anya azụ wee mara ebe ha na asụsụ ha malitere njem iji chọta ebe ha hapụrụ ya n'oge a. Nchọcha ya yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-ekwu etu a ga-esi kwalite asụsụ Igbo ka ọ dịkwa etu ọ dịbu na mbụ . Ha dịwagakwa iche n'onwe ha, maka na nchọcha Isichei bụ maka agụgụ ala Igbo, ebe nchọcha a bụ maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. Ya bụ na nchọcha Isichei egboghi nsogbu nchọcha a.

N'ịga n'ihu, Atupulazi na Eleke (2019) mere nchọcha iji tụlee ọnọdụ asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ dị na Naịjiria, dị ka Awụsa na Yoroba. Ha chọpụtara na ọnụọgụgụ ndị na-asụ asụsụ Awụsa na Yoroba na-abawanye; ebe ọnụọgụgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo na-epewanye mpe. Nchọpụta ha na-akọwa na ndị Awụsa na ndị Yoroba na-agba mbọ ịkwalite asụsụ ha site n'ịsụ ya oge ọbụla na kwa ebe ọbụla; ebe ndị Igbo hapụrụ asụsụ ha na-amụ asụsụ ndị mba ọzọ. Nchọcha ha bara uru nke ukwuu, maka na ọ ga-eme ka echiche ndị Igbo laghachite azụ n'ebe asụsụ ha dị iji mee ka ọ ghara ịnwụ. Nchọcha ha yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-arụtụ aka n'ọnọdụ ọjọọ asụsụ Igbo na-abanye na ya; mana ha abụọ dịwaga iche n'ebe onwe ha dị. Atụpụlazi na onye otu ya na-atụle ọnọdụ asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ dị na Naịjiria dị ka asụsụ Awụsa na nke Yoroba, ebe nchọcha a na-eleba anya n'azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu.

Nwaozuzu (2015), site na nchọcha o mere n'agbambọ ndị Igbo n'ịkwalite asụsụ Igbo, rụtụrụ aka n'akara ise e ji ama asụsụ na-aga n'ihu na nke na-anwụ anwụ. Akara ndị ahụ bụ etu e si eji asụsụ eme ejije, etu e si eji ya akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, etu e si eji ya ezikọrịta ozi, etu e si ede ya ede na kwa etu ndị mmadụ si ahụta ya. Ọ chọpụtara na a bịa n'akara ise ndị a, asụsụ Igbo na-eri mperi na ha. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu, maka na o nyere aka mee ka ndị Igbo mara ọnọdụ asụsụ ha nọ na ya. Nke a ga-eme ka ha gbasiwe mbọ ike maka ịkwalite ya n'ogo dị elu. Nchọcha ya na nke a yitere, maka na ha abụọ na-arụtụ aka n'ọnọdụ ọjọọ asụsụ Igbo nọ na ya n'oge a. N'aka nke ọzọ, ha abụọ dịwaga iche niihi na nchọcha Nwaozuzu lebara anya n'etu ndị Igbo si agbadebe mbọ maka ịkwalite asụsụ ha; ebe nchọcha a na-eleba anya n'azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

Umezi (2020), na nchọcha o mere maka ọdịda ilu Igbo na senturi nke iri abụọ na otu, chọpụtara na ndị mmadụ anazighi etinye ilu Igbo n'okwu etu o si kwesi mgbe ọbụla ha na-ekwu okwu. Nke a metụtara ọganihu asụsụ Igbo n'ebe ọ dị ukwuu. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu, maka na o mere ka ndị Igbo mata na ilu dị mkpa maka ịkwalite asụsụ Igbo. Nchọcha ya na nchọcha a yitere, maka na ha abụọ na-arụga aka na mkpa ọ dị bụ ịkwalite asụsụ Igbo n'ebe ọ dị ukwuu. Ọ dịkwa iche na nchọcha a, maka na nchọcha Umezi metụtara mkpa ọ dị itinye ilu n'okwu Igbo mgbe ọbụla e ji asụsụ Igbo ekwu okwu, iji mee ka asụsụ Igbo dị elu; mana nchọcha a metụtara azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo nọ na ya na senturi nke iri abụọ na otu .

Ejiọfọ (2015) mere nchọcha banyere ọnọdụ asụsụ Igbo na Naịjiria. Ọ chọpụtara na asụsụ Igbo nọ n'ajọ ọnọdụ, nke pụtara na ọ bụrụ na a maghị ihe e mere na asụsụ Igbo ga-anwụ. Ọ

chọpụtakwara na ndị so egbu asụsụ Igbo bụ ndị Igbo na onwe ha. Nke a mere o jiri kwaa akwa arịrị, ma kpọkuo ndị Igbo nọ n'ebe dị iche iche; na n'ọkwa dị iche iche ka ha gbatara asụsụ Igbo ọsọ enyemaka iji zọpụta ya n'ọnọdụ ọjọọ a, maka na okenye anaghị anọ n'ụlọ, ewu amụọ n'ọgbịrị. Nchọcha Ejiọfọ bara uru nke ukwu. O mere ya n'oge ọ dị nnukwu mkpa, maka na o nyere aka mee ka echiche ndị Igbo nọ n'ebe dị iche iche na kwa n'ọkwa ọchịchị dị iche iche chighaa ma leba anya n'ihe ndị e nwere ike ime iji hụ na asụsụ Igbo bụ asụsụ ga-akwụ chịm dị ka asụsụ ndị ọzọ. Nchọcha ya yitere nchọcha a, maka na ha abụọ na-ekwu maka ihe ndị a ga-eme iji hụ na asụsụ Igbo gara n'ihu. Ka o sila dị, ha abụọ dịwaga iche maka na nchọcha Ejiọfọ na-arụtụ aka na mkpa ọ dị, ka ndị Igbo niile tinye aka n'ọrụ ịkwalite asụsụ Igbo; ebe nchọcha a na-ekwu maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

Ọzọkwa, Umeodinka na Okoye (2018) mere nchọcha banyere mmekpaahụ ndị nne na nna na-enye asụsụ Igbo. Ha chọpụtara na ụfọdụ nne na nna so akwatu asụsụ Igbo site n'anaghị eji asụsụ Igbo azụ ụmụ ha n'ụlọ ha dị iche iche. Nchọcha ha bara uru nke ukwuu maka na o mere ka agwa ọjọọ ụfọdụ ndị nne na nna na-akpaso asụsụ Igbo pụta ihe. Nke a ga-eme ka ndị dị etu a chee chiche maka agwa ha ma si na ya bụ ajọ agwa pụta. Nchọcha ha yitere nchọcha a; ebe ha abụọ na-arụga aka n'ihe mgbu asụsụ Igbo na-agabiga. N'aka nke ọzọ, nchọcha ha dịwaga iche na nchọcha a, maka na nchọcha ha metụtara agwa ọjọọ ndị nne na nna na-akpaso asụsụ Igbo, ebe nchọcha a metụtara azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

N'otu aka ahụ, Odo (2019), site na nchọcha o mere maka ọdịda na odide asụsụ Igbo, chọpụtara na ọtụtụ ndị Igbo gụrụ akwụkwọ nọ n'ọkwa dị iche iche dị elu na-eleda asụsụ Igbo anya. Ọ na-ahịa ndị dị etu a ahụ iji asụsụ Igbo zikọrịta ozi. Nchọcha ya nyere aka ime ka ndị mmadụ mata na asụsụ niile dị n'ụwa ha nhatanha. Nke a ga-enye aka ime ka ndị Igbo gụrụ akwụkwọ ghara ịdị na-eleda asụsụ Igbo anya; kama ka ha nye aka n'ịkwalite ya site n'ịdị na-asụ ya oge ọbụla ma na-edekwa ya ede. Nchọcha ya na nchọcha a yitere onwe ha maka na ha abụọ na-agba mbọ ịhụ na asụsụ Igbo gara n'ihu n'ogo dị elu. Ka o sila dị, ha abụọ dịwaga iche maka na nchọcha Odo bụ maka ọdịda asụsụ na odide asụsụ Igbo; ebe nchọcha a bụ maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

Essien (2013), n'aka nke ya, mere nchọcha banyere asụsụ na mmụnwo ọnọdụ akụnaụba na Naịjiria. Ọ chọpụtara na asụsụ bụ ihe dị nnukwu mkpa maka mmepe na ọnọdụ akụnaụba nke obodo ọbụla. Nchọcha ya mere ka a mata mkpa asụsụ dị n'ebe o si metụta ọnọdụ akụnaụba. Ya na nchọcha a metụtara, maka na ha abụọ na-arụtụ aka n'asụsụ na ọnọdụ akụnaụba. Mana ha abụọ dịkwa iche niihi na nchọcha Essien gbasapụrụ aka metụta asụsụ na ọnọdụ akụnaụba na Naịjiria, ebe nchọcha a bụ naanị maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

Nchọcha Essien kwadoro echiche Elugbe (1990), onye kọwapụtara na a bịa n'etu o si metụta asụsụ na ọnọdụ akụnaụba obodo ọbụla, a ga-eji etu mkpụrụ akụkụ si dị onye ọrụ ugbo mkpa wee tụnyere etu asụsụ si dị mkpa maka mgbanwo n'ọnọdụ akụnaụba obodo ọbụla. Nchọcha Elugbe nyere aka ịghọta etu asụsụ si dị nnukwu mkpa maka mgbanwo ọnọdụ akụnaụba mba dị iche iche. Nchọcha ya yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-eleba anya n'asụsụ na ọnọdụ akụnaụba. Ka o sila dị, nchọcha Elugbe dịkwa iche na nchọcha a maka na nchọcha ya na-

akọwa mkpa asụsụ dị n'iwube ọnọdụ akụnaụba tọrọ atọ, ebe nchọcha a na-ekwu maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu.

Ugochukwu (2019), site na nchọcha o mere n'ihe gbasara asụsụ na mmepe obodo n'ebe o si metụta ala Igbo, gosipụtara etu asụsụ na mmepe obodo si agakọ ọnụ. O jiri ala Bekee na asụsụ ha wee mere ihe atụ. Ọ gara n'ihu kọwapụta mkpa ọ dị, ka e nwee ọtụtụ ụlọ mmepụta ngwaahịa n'ala Igbo. Nke a ga-enye aka n'ịkwalite ọnọdụ akụnaụba na kwa ibuli ọnọdụ asụsụ Igbo elu. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu, maka na o mere ka a mata uru asụsụ Igbo bara na mmepe obodo na kwa mkpa ọ dị n'azụmahịa. Ya na nchọcha a yitere onwe ha, maka na ha abụọ metụtara asụsụ Igbo na mmepe obodo. Ha abụọ dịwaga iche n'ebe onwe ha dị, maka na nchọcha Ugochukwu gbadoro ụkwụ n'asụsụ na mmepe obodo n'ebe o si metụta ala Igbo, ebe nchọcha a bụ maka azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ mgbakwasa isiokwu nchọcha a bụ atụtụ Ngwakọrịta usoro azụmahịa. A kpọrọ ya *Marketing Mix* maọbụ *4PS of marketing* n'asụsụ Bekee. Onye tụpụtara atụtụ a bụ J.E. McCarthy n'afọ 1960 site n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Basic marketing: A management approach*. Atụtụ a na-akọwa na ọ dị ụzọ ihe anọ onye maọbụ ndị na-abagide azụmahịa ga- ebu n'obi ma gwakọta ha ọnụ iji hụ na ahịa ahụ gara n'ihu. Ha bụ Ngwaahịa (*Products*), ọnụahịa (*Price*), Ebe azụmahịa (*Place*) na Nkwalite azụmahịa (*Promotion*). Ya bụ na ihe atụtụ a na-ekwu bụ na a ga-agwakọrịta ihe anọ ndị a iji hụ na azụmahịa gara n'ihu ma nye ihe a chọrọ. Ọ bụrụ na nke ọbụla n'ime ha rie mperi, mara na azụmahịa ahụ ga-eri mperi.

Atụtụ a bara uru na nchọcha a maka na ngwakọrịta ihe anọ ndị a ga-agbakwasa ụkwụ n'asụsụ. Ya bụ na azụmahịa agaghị adị ire ma ewezụga asụsụ. Ebe ọ bụ na isi okwu nchọcha a bụ azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu, atụtụ a kara adaba nke ọma na ya.

**Nchọpụta**

Dị ka ebumnobi nchọcha a si dị, a chọpụtara ọtụtụ ihe mgbe e mechara ya. Ha bụ ọnọdụ ndị Igbo na asụsụ ha n'oge ọbịbịa ndị ọcha, ọnọdụ ndị Igbo n'azụmahịa na Naịjiria, ọnọdụ asụsụ Igbo etu o si metụta azụmahịa na Naịjiria, ọnọdụ asụsụ Igbo kwesiri ịnọ na Naịjiria, ihe kpatara asụsụ Igbo ji alaghachị azụ, ihe a ga-eme iji kwalite asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu .

**Ọnọdụ Ndị Igbo na Asụsụ ha n'Oge Ọbịbịa ndị Ọcha**

Tupu ọbịbịa ndị ọcha na Naịjiria, ndị Igbo bụ agbụrụ hụrụ onwe ha na asụsụ ha n'anya nke ukwuu. N'oge ahụ, o nweghi asụsụ ọzọ a na-asụ n'ala Igbo ma ọ bụghị asụsụ Igbo. Ha abụghị ndị njem maka na anya ha na uche na-adị n'ụlọ mgbe niile. Dị ka Isichei (1976) si kọwapụta echiche William Balfour Baikie, otu onyeọcha bụ dibịa Bekee, gbasara ndị Igbo mgbe ọ bịara njem nleta n'ala Igbo n'afọ 1850 ha. Baikie hụtara ndị Igbo dị ka ndị hụrụ obodo ha na asụsụ ha n'anya nke ukwuu. Dị ka o si kọwapụta na ndị Igbo bụ ndị si n'obodo dị iche iche n'ala Igbo mana ha si n'ala Igbo pụọ, ha azawa ndị Igbo. Nke a gosiri na ndị Igbo anaghị echezọ agbụrụ ha n'agbanyeghi ebe ọbụla ha nọ. Ma ha anọ n'ala Igbo ma ha anọ na mba ọzọ. Ọkọwapụtara echiche ya n'asụsụ Bekee dị ka, *"In Igbo, each person hails…from the particular district where he was born, but when away from home, all are Igbo."* Nke a gosiri na ndị Igbo bụ

agbụrụ na-ahụ onwe ha n'anya n'ebe ọbụla ha nọ. Ọ bụ asụsụ Igbo na-ejikọ ndị Igbo n'agbanyeghi obodo onye ọbụla n'ime ha si.

Ka o sila dị, asụsụ ndị ọzọ malitere batawa n'ala Igbo n'oge ndị Igbo na ndị mba ọzọ malitere mekọrịtawa. Mana n'agbanyeghi mmekọrịta dị n'etiti ndị Igbo na ndị mba ọzọ, ndị Igbo atụfughi asụsụ ha. Nke a mere na mgbe ndị ọcha bịara n'ala Igbo, o gburu ha oge ịmụta ndụ ndị Igbo. Ha jedesiri asụsụ ha ike n'agbanyeghi azụmahịa na mmekọrịta ndị ọzọ dị n'etiti ha na ndị ọcha. Iji hụ na e nwere mmekọrịta tọrọ atọ n'etiti ndị ọcha na ndị Igbo n'oge ahụ , ndị ọcha malitere nyewe ndị Igbo ụfọdụ ọzụzụ n'asụsụ Bekee. Ndị ahụ bụ ndị na-arụ ọrụ ịtapịara ndị ọcha asụsụ Igbo mgbe ọbụla ha chọrọ inwe mkparịta ụka n'etiti ha na ndị Igbo. N'agbanyeghi nke a, ndị Igbo ndị a e nyere ọzụzụ n'asụsụ Bekee ahapụghị asụsụ Igbo.

Iji hụ na asụsụ Bekee batara ala Igbo nke ọma, ndị ọcha butere ụka na agụmakwụkwọ ma mee ka ihe ọmụmụ asụsụ Bekee dị elu karịa ihe ọmụmụ ndị ọzọ n'ụlọakwụkwọ dị iche iche. Nke a mere na tupu onye ọbụla eturu ugo mmụta n'ogo ọbụla, onye ahụ ga-emerịrị nke ọma n'asụsụ Bekee. Ọ bụ n'ebe a ka asụsụ Bekee si gbanye mgbọrọgwụ n'ala Igbo. Mana n'agbanyeghi ihe ndị a, ndị Igbo ka jidesiri asụsụ ha ike n'oge ahụ. Ọ bụ nke a kpatara na ndị Igbo gbawara mbọ ịhụ na e wepụtara mkpụrụ edide dị iche iche a ga-eji n'ede Igbo iji hụ n'asụsụ Igbo ruru n'ogo asụsụ ndị ọzọ dị n'ụwa ruru.

**Ọnọdụ Ndị Igbo n'Azụmahịa na Naịjiria**

Anụ ọhịa niile na-egbu opi, mana nke nkakwụ na-apụ iche. Agbụrụ niile dị na Naịjiria na-azụ ahịa n'ogo dị iche iche, mana ndị Igbo bụ ndị e jiri ịzụ ahịa wee mara. Site n'oge ochie, mgbe ezi dị n'ukwu ụkwa, ndị Igbo nwere ahịa anọ pụtara ihe. Nke a mebere ụbọchị anọ n'izu dị ka o si metụta ọgụgụ oge n'oge gboo. Ihe ọ pụtara bụ na ụbọchị niile dị n'ala Igbo bụ ụbọchị azụmahịa. Basden (1921), onye ọcha bịara ime nchọcha banyere ndụ ndị Igbo, kwuru na ndị Igbo bụ ndị na-agba mbọ nke ukwu n'ọnọdụ azụmahịa na kwa ọnọdụ mmepe dị iche iche. Ya bụ na azụmahịa na imepụta ngwaahịa dịrịị na ndụ ndị Igbo site na mbụ .

Ka o si dị ugbu a, akụ gharịa egwu, a zọgharịa ụkwụ egwu. Ọnọdụ azụmahịa agbanwoola n'akụkụ ụwa niile. Ndị Igbo esila n'ọnọdụ azụmahịa mkpụrụ ụbọchị anọ n'izu banye n'inwe nnukwu ahịa n'obodo dị iche iche mepere emepe. Mgbanwo dị etu a mere ka ụfọdụ ndị Igbo si n'ala Igbo pụọ ga biri n'obodo dị iche iche maka azụmahịa n'ogo dị iche iche.

A bịa na Naịjiria taa, obodo dị iche iche dị na steeti dị iche iche nwegasịrị ahịa dị iche iche a na-anụ aha ha. A bịa n'ahịa ndị a, ọnụọgụ ndị Igbo nọ na ha karịrị nke ndị agbụrụ ndị ọzọ dị na Naịjiria, tinyere obodo ndị ahịa ahụ dị na ha.

A chọpụtara na ndị Igbo na-etinye aka n'ọrụ imepụta akarangwa dị iche iche nke na-eweta mmepe obodo n'ụzọ dị iche iche. Ya bụ a bịa n'azụmahịa na Naịjiria, ọ bụ ndị Igbo bụ isi a hụrụ kwaba okpu na ya. Ọ bụ ha bụ agbụrụ kacha akwalite ọnọdụ akụnaụba Naịjiria ebe o si metụta azụmahịa.

**Ọnọdụ Asụsụ Igbo Etu O si Metụta Azụmahịa na Naịjiria**

Adịmmkpa asụsụ ọbụla gbadoro ụkwụ n'adịmmkpa ndị nwe asụsụ ahụ. Ọ bụrụ na agbụrụ ọbụla dị mkpa n'ịkwalite ọnọdụ akụnaụba, asụsụ agbụrụ ahụ ga-adị mkpa. Nke a bụ maka na ndị agbụrụ ndị ọzọ dị iche iche ga na-agba mbọ ka ha mụta ma na-asụkwa asụsụ agbụrụ

ahụ, ka o wee dịrị ha mfe ịkparịta ụka iji nweta mmekọrịta tọrọ atọ n'ụzọ azụmahịa maọbụ mgbanworịta akụnaụba n'ụzọ dị iche iche.

Asụsụ Bekee nke mba Amerika na Briten na-ewu ewu taa bụ maka na mba ndị a na-ewu ewu ma a bịa n'ọnọdụ akụnaụba mba ụwa na mmepe obodo. N'otu aka ahụ , asụsụ Jaman, Chaịna, Frenchi, na Ịtali na-ewu ewu taa bụ maka na mba ndị a so na ndị bụ akwaa akwụrụ n'ebe o si metụta ọnọdụ akụnaụba n'ụzọ imepụta ngwaahịa dị iche iche. Ka o si dị, ndị obodo dị iche iche na-agba mbọ ka ha mụta ma na-asụ asụsụ ndị a, ka e wee nwee mmekọrịta dị were were ma tọọ atọ n'etiti ha na ndị mba ahụ .

A bịa na Naịjiria taa, ndị Igbo bụ ọkaibe n'ebe o si metụta ọnọdụ akụnaụba n'ụzọ imepụta ngwaahịa na ịzụ ahịa. Obodo niile dị na Naịjiria, ahịa niile dị na Naịjiria bụ ndị Igbo jupụtara na ha ma nọdụ n'isi n'ọganihu ha niile. Ọ bụzi ihe na-agba anya mmiri na n'agbanyeghi ihe ndị a niile, asụsụ Igbo bụ asụsụ kacha ada mmiri n'ime asụsụ atọ gbara mgbọrọgwụ na Naịjiria. Ọ bụzi gịnị na-eme? A bịa n'ahịa maọbụ n'ụlọ ọrụ dị iche iche ebe ndị Igbo jupụtara, ọ bụ asụsụ Bekee maọbụ asụsụ ọzọ ka ndị Igbo na-asụ. Nke a meziri ka ndị Igbo na ndị si n'agbụrụ ndị ọzọ ghara itinye uche n'ọrụ ịmụta asụsụ Igbo n'agbanyeghi na ọ bụ ọnụọgụ ndị Igbo kacha ndị ọzọ dị ka o si metụta azụmahịa. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ Igbo anaghị ada ụda etu o si kwesi, n'agbanyeghi na ọ bụ ọnụọgụ ndị Igbo ka n'akụkụ azụmahịa na Naịjiria.

**Ọnọdụ Asụsụ Igbo Kwesiri Ịnọ na Naịjiria na Senturi nke Iri Abụọ na Otu**

Mmadụ anaghị abụ nwata n'anụ o gburu. Ndị Igbo bụ isi a hụrụ kwawa okpu n'ịkwalite ọnọdụ akụnaụba Naịjiria, ọ kachasị n'ebe o si metụta azụmahịa. Etu ihe si kwụrụ n'ụwa taa, agbụrụ ọbụla pụtara ihe n'azụmahịa, asụsụ ha na-abụ asụsụ na-ewu ewu. Ebe ọ dị etu a, asụsụ Igbo kwesiri ịbụ asụsụ na-ewu ewu taa na Naịjiria nakwa akụkụ ụwa ndị ọzọ. Ọ bụrụ na ndị Igbo enwee otu obi ma kpebie na asụsụ ha ga na-asụ n'ebe ọbụla ha nọ ga-abụ asụsụ Igbo, ị mara na asụsụ Igbo ga-aghọ asụsụ azụmahịa na Naịjiria na kwa n'ụfọdụ akụkụ ụwa ndị ọzọ. Nke a ga-eme ka ndị agbụrụ ndị ọzọ tinye uchu n'ịmụ asụsụ Igbo ka e wee nwee ezi mmekọrịta tọrọ atọ n'etiti ha na ndị Igbo iji hụ na mgbanworịta na mmekọrịta dị n'azụmahịa n'etiti ha dị mfe. Mgbe ọ dị etu a, ụlọakwụkwọ niile dị na Naịjiria, bido n'ogo Prịma ruo na Mahadum ga-agba mbọ tinye asụsụ Igbo n'ihe ọmụmụ ha na-eme maka na ọtụtụ ndị mmadụ si ebe dị iche iche ga-achọ ka ha guọ ma mụta ịsụ asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na o si etu a dị, ọnọdụ asụsụ Igbo ga-agbanwo bụrụ asụsụ dị elu na Naịjiria.

**Ihe Kpatara Asụsụ Igbo Ji Alaghachi Azụ n'Agbanyeghi Ọnọdụ ndị Igbo n'Azụmahịa na Naịjiria**

Aha onye ọbụla bara nkịta ya ka ọ na-aza; maka na onye kpọọ ọba ya ọkpọkọrọ, ndị mmadụ ewere ya kpoo ntụ. Ihe na-eme ndị Igbo si ha n'aka. A sị na ihe na-egbu ọtụrụ si ọtụrụ n'ukwu. Ndị Igbo nọ na mmiri, ncha ana-aba ha n'anya. Onye na-agba nkwa na-arụ aka n'ala, e jiri akpụkpọ nne ya wee kwee ya? Ndị Igbo bụ ndị ọ mụtara gbakarịa onye nwe egwu. Etu o si dị taa n'ọnọdụ azụmahịa na Naịjiria, asụsụ Igbo bụ asụsụ kwesiri ka ọ na-ewu ewu karịa asụsụ agbụrụ ndị ọzọ dị na Naịjiria, ebe ọ bụ na ọ bụ ndị Igbo bụ ndị nọ n'isi n'azụmahịa na Naịjiria. Mana etu o si dị taa, asụsụ Igbo na-anwụzi anwụ. Ọtụtụ ihe bụ ihe ndị tinyere asụsụ Igbo n'ọnọdụ ọjọọ ọ nọ n'ime ya na Naịjiria taa.

Na mbụ, ndị nne na nna so na ndị bụ ọgbatauhie nyere ọganihu asụsụ Igbo. Dị ka o si kwesi, asụsụ ire nne ọbụla kwesiri ịbụ asụsụ a ga na-asụ n'ezinaụlọ dị iche iche. Nke a bụ iji hụ na

nwata ọbụla nwetara ntọala siri ike n'asụsụ ahụ. Nke a ga-eme ka o nwee ike chịkọtanwuo asụsụ ire nne ya na asụsụ ọzọ ọ ga-amụta n'ebe ndị ọzọ. Mana a bịa n'ụfọdụ ezinaụlọ ndị Igbo, ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo. Ụfọdụ bụ naanị asụsụ Bekee ka ha na-asụ n'ezinaụlọ ha. Ebe o si ka njọ bụ na ụfọdụ ndị dị etu a na-ewere ụmụ ha tinye n'ulọakwụkwọ ebe a naghị eme asụsụ Igbo dị ka otu n'ihe ọmụmụ. Ebe ọ dị etu a, kedu ihe I chere na nwata tolitere n'ọnọdụ dị etu a ga-abụ? Ụmụaka si n'ezinaụlọ dị etu a agaghị amụta asụsụ Igbo, ebe ọ bụ na e jighi asụsụ Igbo nye ha ara n'ezinaụlọ ha si na ya pụta, keduzi ebe ha ga-amụta ya. Ọ bụrụ na o si etu a dị, ọnụọgụgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo ga na-epewanye mpe. Nke a ga-eme ka asụsụ Igbo jiri nwayọọ na-anwụ .

Ọzọkwa, ndị nkụzi nọ n'ụlọakwụkwọ dị iche iche dị n'ala Igbo maọbụ ebe ndị ọzọ ndị Igbo na-agụ akwụkwọ anaghị eji asụsụ Igbo akụzi ihe ma e wepu ndị na-akụzi Igbo n'oge e ji eme asụsụ Igbo. Nke a mere ka ụmụakwụkwọ ghara itinye uchu n'ịmụ asụsụ Igbo. Ebe o si ka njọ bụ na ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-anata ntaramahụhụ n'aka ndị nkụzi maka na ha sụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọnọdụ dị etu a na-ewechigha ọganihu asụsụ Igbo azụ .

Ndị gọọmenti, n'aka nke ha, anaghị enyecha nkwado zuru oke iji hụ na asụsụ Igbo na-aga n'ihu. Ọ bụ ihe na-agba anya mmiri na e nweghi ndị nkụzi Igbo n'ụfọdụ ụlọakwụkwọ ndị gọọmenti dị n'ala Igbo. Nke a na-ama ka ụmụakwụkwọ na-eri mperi n'ihe ndị ha kwesiri ịmụta n'asụsụ Igbo na n'oge ha kwesiri ịmụta ha. Ọ bụ ihe dị etu a na-eme ka ụmụaka ghara inwe mmasị n'asụsụ Igbo n'oge ọbụla.

N'ịga n'ihu, ngala na ihere n'ebe ụfọdụ ndị Igbo nọ so n'ihe na-esechigha asụsụ Igbo azụ iru n'ogo o kwesiri ịnọ na ya ma a tụlee ọnọdụ ndị Igbo nọ na ya n'azụmahịa na Naịjiria. Ụfọdụ oge, ọ na-eme ụfọdụ ndị Igbo ihere ịsụ asụsụ Igbo n'ọha, ma bụrụkwarị ebe ndị Igbo gbakọrọ. Ụfọdụ na-ewe ya ka asụsụ ndị agụghị akwụkwọ na-asụ. Nke a mere ndị dị etu a ji achọ ịsụ asụsụ Bekee n'ebe ọbụla ha nọ na n'oge ọbụla. Ebe ọ dị etu a, asụsụ Igbo na-anyụ ka ọkụ a wụrụ mmiri.

**Ihe A ga-eme Iji Kwalite Asụsụ Igbo n'Ogo Ukwu**

Ọ bụrụ na mmiri ezoghi, chi ka dị; maka na o si taa dịwa mma, ọ dịwara gboo. Iji hụ na asụsụ Igbo gbagotere n'ogo dị elu nke bụ ọnọdụ ruoro ya na Naịjiria taa, ụfọdụ ihe dị mkpa ka e mee ha.

Na mbụ, onye ọbụla bụ onye Igbo ga-agba mbọ hụ asụsụ Igbo n'anya. Nke a ga-eme ka onye Igbo ọbụla na-enwe mmasị ịsụ asụsụ Igbo ebe ọbụla na kwa n'oge ọbụla. Ọ ga-eme ka asụsụ Igbo na-ewu ewu na Naịjiria na kwa na mba ndị ọzọ. Onye hụrụ asụsụ Igbo n'anya, ihere agaghị eme ya ịsụ asụsụ Igbo ebe ọbụla ọnọ.

N'otu aka ahụ, ndị nne na nna n'ezinaụlọ dị iche iche ga-agba mbọ hụ na ụmụaka ha mụtara ma na-asụ asụsụ Igbo dị ka asụsụ ire nne ha. Ihe ọbụla mmadụ mụtara oge ọ dị na nwata, ọ ga-ahịa ahụ ihe ahụ ịpụ ya n'ahụ. Ọ bụrụ na ezinaụlọ ndị Igbo ọbụla na-asụ asụsụ Igbo, ọ ga-eme ka obodo niile dị n'ala Igbo na-asụ asụsụ Igbo. Nke a ga-enye asụsụ Igbo ihe mgbakwasa ụkwụ pụrụ iche iji nweta ọganihu. N'otu aka ahụ, ndị nne na nna bụ ndị Igbo ga-agba mbọ hụ na ụmụ ha anaghị aga akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ọbụla anaghị eme asụsụ Igbo dị ka ihe ọmụmụ kwọụrọ onwe ya. Ọ bụrụ na nke a emee, ndị gọọmenti na ndị nwe ụlọakwụkwọ mnwere onwe ga-agbarịrị mbọ tinye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ha dị iche iche iji

nweta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ buru ibu. Mgbe ọ dị etu a, ọ ga-enye aka ka asụsụ Igbo gaa n'ihu.

Ndị gọọmenti, ọ kachasị ndị nọ n'ala Igbo ga-agba mbọ mee ka asụsụ Igbo bụrụ ihe ga na-agụ ndị Igbo agụụ ịsụ. Ha ga-eme nke a site n'itinye iwu dị iche iche ga-ejide ndị mmadụ n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche. Ọzọkwa, ha ga-agba mbọ na-ahazi asọmmpi dị iche iche ga-enye aka n'ịkwalite asụsụ Igbo, ma tinye ihe nrite buru ibu maka ndị niile ga-eturu ugo n'asọmmpi ndị ahụ.

**Nchịkọta**

Ọta akwụ mịchaa ọnụ, a mara na mgbụpụ agụwara ya. Na nchọcha a isiokwu ya bụ Azụmahịa na Naijiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu, nwanchọcha chọpụtara na a bịa n'azụmahịa na Naijiria, ọ bụ ndị Igbo bụ agbụrụ bụ isi a hụrụ kwawa okpu na ya. Ndị Igbo kacha agbụrụ ndị ọzọ dị na Naijiria pụta ihe n'ihe gbasara imepụta ngwaahịa na azụmahịa.

A chọpụtara na n'agbanyeghi na ndị Igbo bụ agbụrụ kacha pụta ihe n'azụmahịa na Naijiria, asụsụ Igbo so n'asụsụ ndị na-alaghachi azụ na senturi nke iri abụọ na otu. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ Igbo anọghị n'ebe ọnọdụ ruoro ya na Naijiria n'oge ugbu a. Dị ka o si kwesi, ebe ọ bụ na ndị Igbo bụ agbụrụ kacha pụta ihe n'azụmahịa na Naijiria, o kwesiri na asụsụ Igbo ga-aka asụsụ ndị ọzọ dị na Naijiria wee dị elu ma na-aga n'ihu. Nke a bụ maka na mba dị iche iche kwesiri inwe mmasị ịmụta ma na-asụ ya iji hụ na e nwere ezi mmekọrịta tọrọ atọ n'etiti ha na ndị Igbo mgbe ọbụla ha na-eme ihe gbasara azụmahịa.

Ihe ọzọ a chọpụtara bụ na ihe kpatara asụsụ Igbo ji ada ada bụ na ụfọdụ ndị nne na nna ndị Igbo anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha dị iche iche. Ụfọdụ narịị eziga ụmụ ha maka ịgụ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ anaghị amụ asụsụ Igbo dị ka otu n'ime ihe ọmụmụ kwụọrọ onwe ya. Ọzọkwa, ụfọdụ ndị nkụzi ejighi ya akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ. Nke ka njọ bụ na ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-anata ntaramahụhụ mgbe ọbụla ha sụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ihe ọzọkwa a chọpụtara kptara o ji alaghachi azụ bụ na ọ na-eme ụfọdụ ndị Igbo ihere ịsụ asụsụ Igbo ebe ndị mmadụ nọ.

N'ikpe azụ, a chọpụtara na o nwere ihe ụfọdụ e kwesiri ime ka asụsụ Igbo wee gbagote n'ogo ukwu, bụ ebe ọnọdụ ruoro ya na Naijiria. Ụfọdụ n'ime ha bụ na ndị Igbo kwesiri ịhụ asụsụ Igbo n'anya ma na-asụ ya ebe ọbụla ha nọ; ndị nne na nna ga-agba mbọ hụ na ụmụ ha na-asụ asụsụ Igbo dị ka asụsụ ire nne n'ụlọ ha dị iche iche. N'otu aka ahụ, ha ga-akwụsị iziga ụmụ ha maka agụmakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ndị anaghị eme asụsụ Igbo dị ka otu n'ime ihe ọmụmụ kwụọrọ onwe ya. Ndị gọọmenti, n'aka nke ha, ga-enye aka n'ịkwalite asụsụ Igbo site n'ime iwu dị iche iche ga-enye aka maka ọganihu asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche. Ha ga-agbakwuazi mbọ na-ahazi asọmmpi dị iche iche maka asụsụ Igbo ma tinye ihe nrite buru ibu maka ndị ga-eturu ugo n'asọmpi ndị ahụ. Ihe ndị a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu iji kwalite asụsụ Igbo n'ogo dị elu.

**Mmechi**

N'ikpe azụ, nwanchọcha mejupụtara ebumnobi ya n'isi okwu a site n'ịchọpụta ọnọdụ ndị Igbo n'azụmahịa na Naijiria, ọnọdụ asụsụ Igbo etu o si metụta azụmahịa na Naijiria, ọnọdụ

asụsụ Igbo kwesiri ịnọ na Naịjiria, ihe kpatara asụsụ Igbo ji alaghachi azụ; na kwa ihe a ga-eme iji kwalite asụsụ Igbo n'ogo ukwu.

**Edensibịa:**

Anagbogu, P.N, Mbah, B.M & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics.* Awka: Amaka Dreams.

Atupulazi, J. & Eleke, I. (2019). Igbo language; will ndị Igbo allow it to die?. *FIDES Nwes Paper. Vol. 27 No. 2, May 19-25, pp.1-2.*

Balkin, J.M. (2010). Commerce. *Machigan Law Review, vol. 109 no.1 pp.1-51*

Barnet, R. E. (2001). The original meaning of the commerce clause. *University of Chicago Law Journal vol. 68. No. 1 pp. 101-147*

Basden, G. T. (1921). *Among the Ibos of Nigeria.* Onitsha: University Publishing Company.

Dimebo, I.N & Nna, I.F. (2019). Akụ kụ ahụ mmadụ dị ka mbụrụ nsinuche n'asụsụ Igbo. *Odezuruigbo (An international journal of Igbo African and Asian Studies) Vol.3 No.1,Pp. 1-11*

Ejiọfọ, P.(2015). *Ajọ ọrịa ji asụsụ Igbo: Okenye ịnọ n'ụ lọ ewu na-amụ n'ọgbịrị.* Awka: Valid Publishing Company.

Elugbe, B.O. (1990). National language and national development. In Emenanjo, E.N. (Ed.) *Multilingualism: Minority language and language policy in Nigeria.* Agbor: Central Books Ltd.

Eme, C.A. & Nkamigbo, L.C. (2009). "Naịjiria: Asụsụ , omenala na mmepe obodo". *Akwụkwọ a gụrụ na jonal mmụta Igbo, vol.4, No.1*

Essien, O. (2013). Language and Nigerian reform agenda. In Ndimele, O., Ikekeonwu, C.I. & Mbah, B.M. (Eds). *Language and Economic Reform in Nigeria. Pp.1-16* Port-Harcourt: Grand Orbit Communication & Emhaị Press

Isichei, E. (1976). *A history of Igbo people.* New York: Macmila press ltd

Jahanshashi, A. A. & Mirzaie, A. (2011). Mobile commerce beyond electronic commerce: Issues and challenges. *Asian Journal of Business and Management Sciences. Vol 1 No.2 pp. 119-129*

McCarthy, J.E. (1960). *Basic marketing: Amanagement approach*. Homewood: Richard D. Irwin.

Ndimele, O. (2005). Globalization and the vanishing of Africa: Any glimmer of hope at this turbulent sea. In Ndimele, O. (ed). *Globalization and the study of languages in Africa. Pp.65-70.* Port-Harcourt: Grand Orbit Communication & Emhaị Press

Ngoesi, M.C. (2000). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal press.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: A historical study.* Obosi: Pacific Correspondence college and Press.

Nwaozuzu, G.I. (2015). *"Agbambọ ndị Igbo na nkwalite asụsụ na omenala ha."* A paper presented at the 9th Chief Dr. F.C. Ogbalu Memorial Lecture held at Nnamdị Azịkiwe University, Awka.

Odo, D.C. (2019). Elites and the decline of spoken and written Igbo, indegeneous language and culture. *Odezuruigbo ( An international journal of Igbo African and Asian Studies) Vol.3 No.1, Pp. 139-151*

Onwujeogwu, M.A. (1981). *An Igbo civilization: Nri kingdom and hegemony.* London: Ethiope Publishing Company.

Prasad,T.(2009). *A course in linguistics.* Nwe Delhi:PHI Wearing publishers.

Ugochukwu,C. N. (2019). Asụsụ na mmepe obodo: Ka o si metụta ala Igbo. language and culture. *Odezuruigbo ( An international journal of Igbo African and Asian Studies) Vol.3 No.1, Pp. 12-23*

Umeodinka, A.U. (2020).*Introduction to contrastive analysis.* Awka: Divine Press.

Umeodinka, A. U. & Okoye, C.I. (2018). Mmekpa ahụ ndị nne na nna na-enye asụsụ Igbo n'oge ugbu a. *Odezuruigbo Journal, Vol.2 No.2*

Umezi, P.I. (2020). Ọdịda ilu Igbo na senturi nke iri abụọ na otu . *Enyo: Jonal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenaala Igbo. vọl.1, nọ.1, Pp.87-100.*